# Ozi na nhazi data

## Faịlụ usoro keetiti

## dịka ọ da na isiokwu 13 na 14 nke Iwu Ozuruọnụ maka Nchedo Data (DSGVO)

**Aha na nkọwa mkpọtụrụ nke onye njikwa:**

Bundesamt für Fremdenwesen und Asyl (Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ)
Modecenterstraße 22, 1030 Wien
Ekwentị: +43- 59 133 98 7004
Faksị: +43- 59 133 98 7399
ozi-e: BFA-Einlaufstelle@bmi.gv.at

**Nkọwa mkpọtụrụ nke onye nchedo data:**

Ekwentị: +43- 59 133 98 - 0
ozi-e: BFA-Datenschutzbeauftragter@bmi.gv.at

**Ihe ndị kpatara maka nhazi ahụ, nke anyị chọrọ iji data onwe ahụ maka:**

Nhazi ama metụtara ọnọdụ nke usoro (data usoro) kpebisiri site na Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ, karịsịa metụtara itinye n'ọrụ, mkpebi, ngwọta n'okpuru iwu, ichupụ mmadụ na nloghachi afọ ofufo

**Ndabere n'okpuru Iwu maka nhazi ahụ:**

Isiokwu 28, 29, 33 na 58 nke iwu gọọmenti etiti na-achịkwa iheachọrọ ozuruọnụ metụtara usoro ahụ n'ihu Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ maka inye iru eru maka nchedo ozuruụwa, ikike obibi n'ihi ọnọdụ kebelụsọ, ichupụ, mbughari mwepụ, yana ịme usoro iji kwụsị obibi na ihe gbasara dọkumentị Ọstrịa maka ndị ọbịa (Iwu Usoro BFA, BFA-VG)

**Ogologo nke oge aga-echekwa data ahụ:**

Aga-ehichapụrịrị data esere dịka ọ dị na Iwu Usoro BFA ọ pekaria mpe
1. mgbe enyere onye ahụ ọnọdụ ịbụ ụmụ amaala nke Ọstrịa, ozugbo agaghịzị achọ data ahụ maka mwepụ dokumentị enyere ha dịka ọbịa;
2. mgbe agwara Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ ma ọ bụ Ụlọikpe Nchịkwa nke Gọọmenti Etiti gbasara ọnwụ onye ahụ na afọ ise agafeela kemgbe ahụ, ma ọ bụ
3. afọ iri mgbe enyere mkpebi ịkpeazụ na usoro n'ihu Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ ma ọ bụ Ụlọikpe Nchịkwa nke Gọọmenti Etiti, ma ọ bụ mgbe mwepụ arịrịọ, mmepe usoro metụtara arịrịọ ahụ, ma ọ bụ mgbe arịrịọ ahụ agaghịzị emetụta isiokwu ahụ. Nke a agaghị adị mgbe enwere mmachibido iwu na ntinye na-adịgide adịgide na onye ahụ. Ọ bụrụ na oge ndaba nzọụkwụ keadịghịdeghị na-akwụsị obibi gafere mgbe oge akwuru n'ime ahịrịokwu mbụ, aga-ehichapụrịrị data ahụ n'oge ndaba ahụ kwụsịrị.

**Ụdị nke ndị na-enweta data onwe:**

Ụlọọrụ nche; Ndị ọchịchị na-ekpe ikpe; ụlọ ikpe ụmụ amaala na ihe mpụ yana ụlọ mkpọrọ; ụlọ ikpe nchịkwa nke ngalaba gọọmenti etiti; Ụlọọrụ nke Kọmishọna Kasị elu UN maka Ndị

gbara ọsọ na Ọstrịa; ndị tinyere aka na nkwekọrịta maka mkpebi steeti nke ruru eru iji nyocha arịrịọ maka nchedo ndị gbara ọsọndụ ma ọ bụ arịrịọ maka nchedo ozuruụwa, yana ọchịchị steeti nke steeti ga-eme ka Iwu Dublin rụọ ọrụ nakwa nke ruru eru iji nyocha arịrịọ maka nchedo ndị gbara ọsọndụ ma ọ bụ arịrịọ maka nchedo ozuruụwa; ndị ọchịchị mba ọzọ na-ahu maka mmejupụta Nzukọ Geneva na Ndị gbara ọsọ, mgbe mkpebi njirimara yana inye Nchedo maka ndị gbara ọsọndụ agaghị ekwe omume n'enweghị nnyefe na ndị ọchịchị dị otu ahụ yana enwere ike ịhụ na agaghị ekwe ndị ọchịchị nke mba ahụ ohere na data dị otu ahụ n'ebe onye na-achọ nchedo ndị gbara ọsọndụ na-ekwu na ọ nwere egwu na aga-akpagbu ya; ndị ọchịchị na-anọchianya Ọstrịa; ndị ọchịchị akwuru n'ime Iwu Obibi Nwaoge na Na-adịgide adịgide maka Ndị ọbịa; ndị ọchịchị maka ịbụ ụmụ amaala; ngalaba ndebanye aha ụmụ amaala; ndị ọchịchị nwere ọrụ maka ịhụ na Iwu Ọrụ Ndị ọbịa rụọ ọrụ; ndị ọchịchị ihe mpụ na-emetụta ego; ndị ọchịchị maka ọdịmma okoroọbịa na agboghoọbịa; ndị ndụmọdụ iwu (isiokwu 49 na 52 nke Iwu Usoro BFA); ndị na-enye ndụmọdụ maka nloghachi; ndị ọchịchị ụtụ, ndị ntụgharị okwu maka inye ọrụ ntụgharị okwu dị ka ọ dị na isiokwu 12a nke Iwu Usoro BFA; Minista Gọọmenti Etiti maka Ihe gbasara ime obodo; ụlọọrụ gọọment etiti na nke ogbe na-eme ọrụ metụtara mmezu Nkwekọrịta Nlekọta & Ọrụ Nkiti; Ọrụ Inye ọrụ na Ọha na Ọstrịa (AMS) na ndị ọchịchị n'ebe ahụ nwere ọrụ iji nye nlekọta na enyemaka iji nwee ike ịbi n'ebe ahụ; ụlọọrụ ahụike n'ogbe na Mmekọrịta Obodo nke Ụlọọrụ Inshọransị Ọha mmadụ na Ọstrịa; Ministrị Gọọmenti Etiti nke Iroopu, Enyemaka maka ibi n'ebe ahụ, na Ihe omume gbasara Mba ọzọ; Ego Nwekọta nke Ọstrịa; ụlọọrụ ruru eru iji inye uru ọha mmadụ ma ọ bụ nnyefe ọzọ; ndị ọchịchị maka ndebanye ebe obibi; Mmekọrịta Ndị na-ahụ maka mkpesa gbasara ndị ọrụ gọọmenti (Volksanwaltschaft); Ọnụ ọgụgụ Ọstrịa; Ndị ọchịchị nke mba onye si; ebe mkpọtụrụ nke mba ndị ọchịchị maka obibi ọzọ na steeti bụ otu EU site na Minista Gọọmenti Etiti maka Ihe gbasara ime obodo; Ụlọ ikpe Nchịkọta nke Gọọmenti Etiti; ụlọọrụ nche na steeti bụ otu EU maka nzube nke nche ma ọ bụ ndị uwe ojii maka mpụ, usoro paspọtụ, ndị uwe ojii maka ndị ọbịa na njikwa okeala; Ụlọọrụ Njikọta Iroopu maka Mmekọta Mmanye Iwu (Europol) maka nzube nke nche ma ọ bụ ndị uwe ojii maka mpụ, usoro paspọtụ, ndị uwe ojii maka ndị ọbịa na njikwa okeala; ụlọọrụ nche nke mba ndị nke atọ maka nzube nke nche ma ọ bụ ndị uwe ojii maka mpụ (n'okpụrụ ihe ndị dị mkpa akọwara na isiokwu 58 na 59 nke Iwu Nchedo Data) na usoro paspọtụ, ndị uwe ojii maka ndị ọbịa na njikwa okeala dịka a kara aka n'ime iwu nke Isi V nke DSGVO; Otu ndị uwe ojii ụwa – Ụlọọrụ Nchịkwa Ozuruọnụ nke Otu Ndị uwe ojii Ụwa maka Mpụ, maka nzube nke nche ma ọ bụ ndị uwe ojii maka mpụ (n'okpụrụ ihe ndị dị mkpa akọwara na  isiokwu 58 na 59 nke Iwu Nchedo Data) na usoro paspọtụ, ndị uwe ojii maka ndị ọbịa na njikwa okeala dịka a kara aka n'ime iwu nke Isi V nke DSGVO; Ndị ọchịchị Ndebanye Nọmba njirimara nke onwe, n'okpuru ike akọwara na Iwu E-Gọọmenti.

Ndị na-eme usoro: Minista Gọọmenti Etiti maka Ihe gbasara ime obodo; IBM Österreich - Internationale Büromaschinen Gesellschaft m.b.H.; Microsoft Österreich GmbH; Bundesrechenzentrum GmbH; Atos IT Solutions and Services GmbH

**Ikike ndị nke onye na-enwe data ahụ:**

Ikike iji mee mkpesa na Ndị ọchịchị Ọstrịa maka Nchedo Data (1080 Wien, Wickenburggasse 8, ekwentị +43 1 52 152-0, ozi-e dsb@dsb.gv.at) ga-adị dịka ọ dị na isiokwu 24, nkeji edemede 1 nke Iwu Nchedo Data (DSG).

Akọwara ikike nke nnweta na isiokwu 15 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke  imezi na isiokwu 16 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke ehichapụ ('ikike iji chefuru otu onye') na isiokwu 17 nke DSGVO.

Akọwara ikike na mgbochi nhazi data n'ime isiokwu 18 nke DSGVO.
Enweghị ikike iji rụ ụka ga-adị.